# NWANYỊ AHỤ NỌ N'OLÙLÙMMIRI AHỤ

## Jọn 4:1-42

## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 30 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Unu gēji kwa obi-utọ seputa miri n'isi-iyi nile nke nzọputa" (Aisaia 12:3).**

### Sameria

Jisọs matara mgbe nile ebe ndi ahụ ji eziokwu náachọ igentị òzízí Ya nọ. Ọ bụ ezie na ụzọ a dịkarịrị nso, Ndị Ju adịghị agabiga n'etiti Sameria mgbe ha naebuli ijè site na Jerusalem rue Galili, n'ihi na ha kpọrọ ndị Sameria asị. Ọtụtụ arọ garaaga tutu oge a, mgbe ebupụrụ Ndị Ju baa ná ndọta n'agha, ewebatara ndị nnanna nke ndị Sameria bụ́ ndị náekpere arụsị, ma mgbe nsogbu dakwasịrị ha, ha chèrè emehiewo chi dị icheiche nke ala ahụ, ya mere ha kpọrọ ndị nchụàjà ụfọdu nke Ndị Ju ịbịa zi ha ihe banyere ezi Chineke ahụ! Ma otú ọdị, ha arapụghị ikpere arụsị niile ha, ya mere Ndị Ju gụrụ ha na ndị náadịghị ọcha.

Ma Jisọs matara na ọ dị otù onye nke gaaza òkù nke Oziọma ahụ na Sameria, ya mere Ọ "ghagh igabiga n'etiti Sameria." Oge ụfọdụ anyị naanụ okwu ahụ na Chineke gaakwagharị Eluigwe na ụwa ime ka azọpụta otù mkpụrụobi, nke náegosi anyị na ọ dị mkpà otú O si naenwe mmetụta n'obi banyere nzọpụta anyị.

Anyị naecheta mgbe Filip naedu n'ememe nke ntute nime Sameria n'otù oge. Náagbaghị agụgọ enwere ìgwè mamdụ ná nzukọ ya niile; ma site nnọọ n'etiti ha Chineke gwara Filip ka o bilie rịdarue ọzara nke Geza. Ọ dị ka ọ bụ iwu náagbagwoju anya, ma Chineke hụrụ na Filip gaezute otù nwoke onye agụ nke nzọpụta naagụ. Filip zutere Onozi nke Etiopia ahụ. Wee zi ya ụzọ esi achọta Jisọs. Site na nke a o ritere mkpụrụobi ọzọ dị óké ọnụahịa nye Kraist.

### Jisọs N'Olùlùmmiri nke Jekob

Jisọs na ndị náesoụzọ Ya agaworị ọtụtụ maịlị mgbe ha bịaruru olùlùmmiri nke Jekob, agụụ iheoriri wee gụọ ha. Oge ndị náesoụzọ Ya bara nime obodo ịzụta nri, Jisọs nọdụrụ n'ụsọ olùlùmmiri ahụ náezuike. Dịka anyị mụtaworo n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị garaaga, olùlùmmiri ole na ole ndị ahụ bụ ihenketa dị óké ọnụahịa dị kwa mkpà ijigide ndụ̀. Jisọs ji nke a mere isiokwu mgbe o kelere nwanyị ahụ onye si n'obodo bịa isere mmiri mgbe Ọ nọ n'ebe ahụ naezuike.

Mgbe Jisọs malitere ịkparịta ụka Ya site n'ịrịọ nwayị ahụ arịrịọ amara, O gosịrị na O cheghị na Ya dịkarịrị mma ịgwa nwayị ahụ okwu. Ọ dịghị ihe ọ bụla nke zoro ezo n'anya Kraist. Ọ dịghị onyemmehie nke jemiworo nime mmehie nke Jisọs náapụghị kwa ịnụ ákwá ya mgbe ọ náachọ ebere. Ọ dịghị mkpà anyị ọ bụla nke dị óké ntà nke Ọ naapụghị ileba anya wee nyekwara anyị aka igbò ha. Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya: "Àdigh-ere egwele abua n'otù penny? Ma otù nime ha agagh-adà n'ala ma Nna-unu ekwegh … Ya mere, unu atula egwù; ọnu-ahia unu onwe-unu kariri ọtutu egwele" (Matiu 10:29, 31). Jisọs biri n'etiti ndị ogbenye, ndị ñara ntị n'obi ụtọ, Ya na ndị ọnaụtụ ririnri, bụ́ ndị ahụ ndị Ju ledara anya. Jisọs mara obi, ọ bụrụ kwa na Ọ hụ́ nime ya ọchịchọ nke eziokwu ahụ, ọ dịghị onye dị ala karịa maọbụ dịkarịrị ntà karịa nye Ya inyereaka. "N'ihi na madu nēle ihe anya nāhu, ma JEHOVA nēle obi" (I Samuel 16:7).

### Mmiri Nke Ndụ

Jisọs nwere ohere ugbu a ikwu banyere Mmiri nke Ndụ ahụ nke O nwere inye. Mmụọ nke Chineke bụ ihe anaeji atụnyere mmiri ndụ ahụ ọtụtụ mgbe n'Akwụkwọnsọ, ma anyị gụrụ na n'ụbọchị ikpèazụ̀ nke óké ụbọchị nke ememe ahụ Jisọs guzoro wee tie mkpu sị, "Ọ buru na akpiri kpọrọ madu ọ bula nku, ya biakutem, ñua miri. Onye nēkwere na Mu … n'afọ-ya ka osimiri nke di ndu gēsi nēruputa" (Jọn 7:37, 38). N'ebe a Ọ naekwu banyere Mmụọ nke Chineke nke gaanọ nime onye ọ bụla kwereekwe n'ezie mgbe azọpụtara ya, nke ahụ gaasụpụta ka onye ọ bụla nweeike ịhụ́ na ya na Jisọs anọwo o wee mụta ihe banyere Ya.

Nwanyị onye Sameria aghọtaghị kwa ihe Jisọs naekwu. N'ezie ọ dịghị onye dị ukwu karịa Jekob onye gwuworo olùlùmmiri a gwumie nime nkume na ụrọ -- narị rula na ise n'omimi (150 feet) -- ebe esi esepụta mmiri ihe ra ka puku arọ abụọ! Ma dịka ọ dị óké ọnụahịa, mmiri a pụrụ inye ndaju akpịrịịkpọnkụ náánị nwamgbe. Mmadụ aghaghị ịbịaghachị kwa ọzọ isere mmiri.

Mgbe Jisọs gwara nwanyị ahụ akpịrị agaghị akpọ kwa ya nkụ ọzọ ma ọ bụrụ na ọ ñụọ mmiri ahụ nke Ọ gaenye, ọ chọkwara ya. Ọ gaeme ka nsogbu ya dị mfé ma ọ bụrụ na ọ gaghịadị naeje okporoụzọ niile ahụ jupụtara n'uzuzu ọkụ inweta mmiri. Ma Jisọs naekwu banyere ihe ndị ahụ dị ukwu karịa, o wee ñaantị wee kwere.

Ọtụtụ mgbe ndị mmadụ naabịakute Jisọs n'ihi ngọzi nke ihe anaahụ anya dị icheiche -- ọgwụgwọ nke arụ ha maọbụ inyeaka dị icheiche -- ma ha agaghị enwe mmasị nke ịrapụ mmehie niile ha. Mgbe ìgwe mmadụ ahụ naagbaso Jisọs mgbe O nyesịrị puku mmadụ ise ahụ nri, Ọ sịrị na ha adịghị eso Ya n'ihi okwu niile ahụ O kwuru ma n'ihi na ha eriwo achịcha na azụ. Anyị naahụ́ kwa ndị dị otú a n'ụbọchị taa.

**Ihe Agaekwere**

Mgbe Jisọs malitere ikpughe mmehie niile nke nwanyị Sameria ahụ, o weghị iwe banyere ha. O kwere na Ọ bụ onyeamụma, wee nwee ajụjụ nime obi ya banyere okpukpé ahụ nke ọrịọrọ ugbu a ka O nye ọsịsa. Ndị Ju sị na ọ bụ na Jerusalem ka agaakpọ isiala nye Chineke ma Ndị Sameria alụwo ụlọekpere n'Ugwu Gerizim. Òlee onye mere nkeọma? Ọ̀ bụghị otù Chineke ahụ ka ha naakpọ isiala nye?

N'ụbọchị taa ndị mmadụ naajụ ajụjụ, "Òlee otú m'ga-esi mata chọọchị kwesịrị ekwesị? Enwere ọtụtụ urù dị iche iche, ma nke ọ bụla naekwenye na ya dị mma." Jisọs kọwaara ya ihe bụ ezi okpukpé. Nzọpụta sitere na Ndị Ju n'ihi na site n'oge Abraham ha abụrụwo ndị Chineke rọpụtara, ma o kwekwara mkwà na site na ha ka agaagọzi agbụrụ niile nke ụwa. Jisọs bụ mmezu nke amụma ahụ, ma n'ebe a ka Ọ gaagọzi -- ọbụná Ndị Sameria. **Ebe** ahụ ndị mmadụ fèrè òfùfè adịghị mkpà dịka **otú** ha siri feè òfùfè ha; ha aghaghị ifè Ya nime mmụọ na n'eziokwu."

N'otù oge Chineke kwuruokwu banyere Ụmụ Israel, "N'ihi na ndi nka abiaruwo nso n'ọnu-ha, were kwa egbugbere-ọnu-ha sọpurum, ma ha emewo ka obi-ha di anya n'ebe M'nọ" (Aisaia 29:13). Ma mgbe emesịrị Jisọs webatara otù okwu ahụ náagwa Ndị Ju ma gbakwunye ya: "Ma ha nēbirim isi-ala n'efu, nēzi ihe madu nyere n'iwu ka ha buru ozizi-ha" (Mak 7:6, 7). Chineke naachọ ka ụmụ Ya chilie "aka di ọcha elu, nēwegh iwe nārugh kwa ukà." Ha aghaghị ifè Ya òfùfè na "ọbu-aka abua nēmegh ihe ọjọ, na obi di ọcha." Ohere adịghị nye mmehie ná ndụ onye náeso Jisọs. Mgbe azọpụtara mmadụ doo kwa ya nsọ ọ naenwe obi ahụ nke dị ọcha.

Nwanyị ahụ nke nọ n'olùlùmmiri ahụ nụrụ na Mesaia naabịa ma ọdị ka o kwenyere na ngọzi ya gaadịri mmadụ nịile, n'ihi na Ọ sịrị, "Mgbe ọ bula Onye ahu gābia, ọ gākọrọ **ayi** ihe nile."

Ihe bụ nsogbu ọtụtụ mmadụ bụ na ha achọghị ka agwa ha "ihe nile." Ha achọghị ka Jisọs gosi ha mmehie niile ha. Ma nwanyị a jikere ịmata mmehie niile ya n'ihi na ọ ghọtara na Jisọs bụ, Kraist ahụ Onye gaabịa.

**Nwanyị Onyemkwusa Njègharị**

Mgbe Chineke gbanwere ndụ ya ọ chọrọ ka ndịọzọ mata banyere ya. Nke ahụ bụ iheịrịbaàmà nke ezi nchègharị. Mgbe Jisọs zọpụtara mkpụrụobi anyị wee mee ka obi tọọ anyị ụtọ anyị naachọ ka ndịọzọ mata kwa ka obi tọọ kwa ha ụtọ. Ọtụtụ mmadụ kwere na nwanyị ahụ wee bịarue olùlùmmiri ahụ ịhụ́ Jisọs. Mgbe ha nụsịrị Ya ha sịrị, "Ọ bugh n'ihi ihe i kwuru ka ayị nēkwe ugbu a : n'ihi na ayi onwe-ayi anuwo, mata kwa na onye a bu Onye -nzọputa nke uwa." Onye ọ bụla pụrụ ịmata Jisọs n'onwe-ya -- ọ bụghị nnọọ ka amata banyere Ya, kama inwe mmekọrịta nke onweonye n'ebe Ọ nọ na ibi ndụ náatọ Ya ụtọ ụbọchị niile.

Ndị Sameria ndịa hụrụ Jisọs n'anya wee rịọ Ya ka Ọ nọnyere ha. O wee nọnyere ha ụbọchị abụọ. Lee ka ha si dị ichè n'ebe Ndi Gerasa ebe Jisọs gwọrọ onye mmụọ ọjọọ ji n'etiti ha. Ndi Gerasa rịọrọ Ya ka O si n'ebe ha nọ laa -- Onye ahụ Onye luworo ọlụ ebube nke ebere dị otú a n'ebe otù onye nke ha nọ!

Ndị náesoụzọ Ya naenwe nwute banyere Jisọs n'ihi na O ribeghị ihe, ma Ọ gwara ha na nri Ya bụ ime uche Nna-Ya -- nke bụ ịgwa ndị mmadụ ụzọ ha gaesi nwere onwe ha pụọ ná mmehie niile ha. Isi ọbịbịa Ya n'ụwa a bụ ka Ọ gbapụta ndịkom na ndịnyom nye Chineke, ka ha bụrụ ndị ejikeere ịga Eluigwe.

**Ndị ọlụ Olenaole**

Ọtụtụ mgbe anyị naanụ ngụpụta ahụ, "Owuwe ihe ubi riri nne, n'ezie, ma ndi-ọlu di ole-na –ole," nke naapụta na enwere ọtụtụ mkpụrụobi ndị chọrọ nzọpụta ma ezi NdịKraist dị olenaole ndị naejidesi ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke ịgọnarị onweha, na iheụtọ niile nke ụwa n'ihi ijéré Kraist ozi. Mgbasa Oziọma nke nzọpụta gaadị anyị mkpà karịa irinri nke anụarụ anyị. Mgbe anyị risịrị nri anyị ngwangwa ahụ agụụ na agụ kwa anyị ọzọ ma ọlụ ahụ anyị naalụrụ Jisọs naakpakọba ụgwọọlụ nye anyị ná ndụ ebighịebi.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ì chere na o nwere ihe kpatara Kraist ji gabiga n'etiti Sameria?
2. Gịnị bụ akàra atọ maọbụ aha atọ nke nwanyị ahụ nyere Kraist?
3. Kraist Ọ̀ kọwaara ya Onye Ọ bụ?
4. Ndị obodo ahụ hà kwere ná ịgbaàmà ya?
5. Gịnị dịkarịrị mkpà ná ndụ Kraist karịa nri nke anụarụ?